***<u>Year C # 776</u>***

***The Holy One***

***Onye Nsọ Ahụ***

***031205-1***

*Daalụ Ezi enyim! Nke a bụ Dọrọti-*

Ọ bụ ọṅụ dị ukwu nye m ịgwa gị okwu taa. Ana m agba gị ume ịgbakwuru Onyenweanyị; ana m agba gị ume ibi ndụ nime Ya. E nwere ọtụtụ ihe mara-mara na echiche dị iche iche na-ewere ọnọdụ; ọtụtụ ihe nke na-akarị anyị ijikwata dịka anyị na-agbalị imeru ihe n'ogo nke ụwa nabatara; ịgbalị ịbụ ihe m na-apụghị ịbụ; ịgbalị n'oti ụzọ ma ọ bu nke ọzọ ịgbaso ihe ndi ọzọ na-eme; ịgbalị inyocha akparamagwa nke butere ihe niile na-ewere ọnọdụ. Mana achọrọ m ime ka o wee gị anya ugbua kpọmkwem na ọ dị mkpa nke ukwu na i mere ka Onyenweanyị Jisọs Kraist bụrụ Ihe niile n'ime ihe niile n'ọnọdụ etiti nke ndụ gị.

Ị maara, Jisọs kwuputara na **Jọn isi iri ahiri nke iri atọ na ise** -

**35 . . . apụghị kwa imebi ihe edere n'akwụkwọ nsọ.** Okwu a ***imebi*** pụtara ịkagbu, imesa maọbụ ịkwụsị. Nke ahụ pụtara na apụghị ime ka ihe edere n'Akwụkwọ Nsọ ghara ịdị ìrè site n'ụfọdụ mmadụ igosi ya dịka ihe n'ezighị ezi maọbụ ụfọdụ mmadụ ndi kpebiri na anyị pụrụ igbubilata ihe e dere na ya maọbụ gbanwee ihe Okwu Chineke na-ekwu. Okwu Chineke na-ekwuputa enweghị mmehie nke Jisọs Kraist. Anyị na-elekwasị anya Onyenweanyị Jisọs Kraist mara mma, onye na-enweghị mmehie maọlị. Chineke na-

achọ ka ndi mmadụ dị nsọ nihi na Ya onwe ya dị nsọ. Mmehie, bụ ihe anyị niile maara, bụ nke apụrụ ịkọwa dịka *ọdịda maọbụ mgbajọ ihe ọbụla ịgbaso n'ozuzu oke akparamagwa dị nsọ nakwa uche Chineke*. Ị pụrụ ịhụ na, anyị nwere mkpa nke Onye-nzọpụta dị nsọ? Ọ bụ naanị nime Jisọs ka anyị pụrụ imezu ihe ahụ Okwu Chineke kwuputara na aghaghị ime ya. Ọ bụ Chineke dị nsọ ịchọ ka anyị zute Ya site na Mmụọ Nsọ nke sitere n'aka nwata ahụ dị nsọ akpọrọ Kraist Jisọs. I chetara nke ahụ, ọ bụ na i chetaghị, na **Luk isi mbu ahiri nke iri na atọ** mgbe mmụọ-ozi Gabriel kwuputara na nwatakịrị ahụ agaje ịmụpụta site na Meri n'amaghị nwoke ga-adị nsọ?

N'**Abụ Ọma isi iri na isii, ahiri nke iri,** anyị gụrụ -

**10 N'ihi na I gaghị-arapụrụ ala-mmụọ mkpụrụ-obi m; I gaghị-enye onye Nsọ Gị ka ọ hụ mbibi.** Eze Devid buru amụma na Mesaia ahụ ga-abụ Onye Nsọ nke Chineke. Ihe dị ka otu puku afọ e kwusiri ihe ahụ dị n'**Abụ Ọma isi iri na isii, ahiri nke iri**, Onye-ozi Pita were ihe edeworo n'Akwụkwọ Nsọ ma na-ekwu okwu kpọmkwem site n'otu mpaghara ahụ dịka e dere ya n'**Ọlụ Ndi Ozi isi abụọ**, ebe ọ sịrị -malite n'**ahiri nke iri abụọ na asaa.**

**27 N'ihi na I gaghị-arapụ mkpụrụ-obi m nime Hedis, I gaghị-enye kwa Onye nke Gị dị ọcha n'obi ka Ọ hụ ire-uré.**

**28 I mere ka M'mara ụzọ ndụ; I ga-eji iru Gị mee ka M'juputa n'ọṅù.**

**29 Ụmụ-nna m, o ziri ezi iwere nkwuwa-okwu gwa unu okwu banyere nna ukwu anyị Devid, na ọ nwụrụ, eli kwa ya, ílì ya dị**

**kwa n'etiti anyị rue ụbọchị taa.**

**30 Ya mere ebe ọ bụ onye-amụma, mata kwa na Chineke ṅụrụ ya ri iyi, na Ọ ga-ewere otù Onye nime ndi bụ mkpụrụ si ya n'afọ pụta mee ka Ọ nọkwasị oche-eze ya** - Chineke;

**31 Ebe o buru ụzọ hụ nke a o kwuru okwu banyere mbilite-n'ọnwụ nke Kraist ahụ, na arapụghị Ya nime Hedis, anụ-arụ Ya ahụghị kwa ire-uré.**

**32 Jisọs nke a** . . . – Onyenweanyị Jisọs nke a mara mma - . . . **ka Chineke mere ka O si n'ọnwụ bilie, nke anyị onwe anyị niile bụ ndi-àmà ya.**

**33 Ya mere, ebe eweliri Ya elu site n'aka-nri Chineke, ebe Ọ natakwara n'aka Nna Ya nkwà ahụ, bú Mmụọ Nsọ, Ọ wụsara nke a unu onwe unu na-ahụ na-anụ kwa.**

**34 N'ihi na Devid arịgoghị n'elu-igwe: ma ya onwe ya sị, Onyenweanyị sịrị Onye-new m, Nọdụ ala n'aka-nri m,**

**35 Rue mgbe M'ga-edo ndi-iro Gị ka ihe-mgbakwasị nke ụkwụ Gị abụa.** (Ihe ngụpụta ahụ bụ nke sitere n'**Abụ Ọma isi otu nari n'iri ahiri mke mbu**).

Ka m kọwaa ihe nọ na-ewere ọnọdụ. Ọ bụ ihe ekwuputara, nke a maara wereanya nye ndi na-eso ụzọ ndi mbụ na Onyenweanyị Jisọs dị nsọ. Ọ bụ ihe a ghọtara na site n'osuso-ọmụmụ ahụ, mkpụrụ ahụ edetuworori n'akwụkwọ site na Jenesis, nke nwa-agbọghọ ahụ n'amaghị nwoke tụrụ ime ya site n'Onye ahụ dị nsọ, dị nsọ - ya bụ Onyenweanyị Jisọs. Onye a ga-anọkwasị n'oche-eze Chineke dị nsọ. Ọ ga-abụ onye ahụ dị ukwu karịa Devid. Eze Devid, dịka akọwaworo

ya n'ihe ndi a edeworo n'Akwụkwọ Nsọ, anwụwori ma ọkpụkpụ ya nọrị n'ili nke dị nso n'ebe ahụ, mana ọ bụghị otu ọ dị n'ebe ọkpụkpụ Jisọs dị, nihi na O siwori na ndi nwụrụ anwụ bilie ma rigoro kwa n'elu. Ma, dịka Ọkpara Chineke dị nsọ, onye dị nsọ n'ozuzu oke, naanị Ya na-arịọchitere mụ na gị arịrịọ. Ị pụrụ ịghọta na mgbe i na-enwe mmetụta oké ọmụma-ikpe site n'ebubo niile nke Ekwensu; ị pụrụ ịghọta na mgbe i na-enwe mmetụta igbu onwe gị ma nọrọ kwa n'enweghị olileanya ma i wee chee na e nweghị ogbugbo nye echi nihi nrụgide niile ndi a niile na-abịara gị, ọ bụ Onyenweanyị Jisọs Kraist bụ onye sịrị, "Adị m nsọ n'ọnọdụ gị?" Aghọrọ m mmehie n'arụ m na-enweghị ntụpọ, nke na-enweghị kwa mmehie maka gị onwe gị ka m wee guzoro n'iru Chineke dị nsọ n'ọnọdụ gị!"

Ya mere, taa achọrọ m ka i nyefee Ya ìgwè-oji niile na enweghị olileanya niile ahụ dị ukwu nime ndụ gị ma sị Ya, *Jisọs, ugbua kpọmkwem I na-eguzo n'ọnọdụ m ya na ihe niile nke m na-ebu. Ana m ekele Gị. I nweghị mmehie, I nweghị kwa ntụpọ ma Ị dị n' njikere, dịka Onye Nzọpụta m, Onye-nwe m, ịnapụta m taa.*

*N'aha Jisọs. Amen.*